# Ịgọ Ọfọ



Ala ñụrụ mmai 1
Agbara ala anyị dum 2
Nụrụnụ mmaị 3
Nna anyị ha 4
Na nna nna anyị ha 5
Ndị ichie niile 6
Ndị laarala mmụọ 7
Anyị na-ekele unu niile 8
Nụrụnụ mmai 9
Ihe ndị ọcha jiri dị mma 10
Agbakwala anyị azụ.......... Ọfọ! 11
Ihe Bekee ji mma mma 12
Rukwa anyị aka -o .......... Ọfọ! 13
Chukwu dowe anyị 14
Ka anyị rie uru ọrụ anyị na-arụ; 15
Onye tara ahụhụ na-eri uru .......... Ọfọ! 16
Onye sị ihe dịịrị anyị mma 17
Ya dịkwaara ya mma .......... Isee! 18
Ma onye na-echere anyị ihe ọjọọ 19
Ala wepụkwa ya ọsọ ọsọ .......... Ọfọ! 20
Egbe bere ugo bere 21
Nke sị ibe ya ebela 22
Nku kwapụ ya .......... Ọfọ! 23
Ihe anyị chọrọ bụ udo na ọñụ 24
Akụ na ụba 25
Ọganiihu na ogologo ndụ .......... Ọfọ! 26
Oney nọrọ onye nọrọ 27
Ma onye na-echere anyị ọnwụ 28
Aja ọcha kpọrọkwa ya .......... Ịha! 29
Ya sikwa n'ala ñụrụ mmaị .......... Ịhaaa! 30

(Ụmụibe mma mmanụ .......... Ịya! etc)